# MBILITEN'ỌNWỤ NA NRIGO N'ELUIGWE NKE KRAIST

**Mak 15:42-47; 16:1-20; Ọlu Ndi-ozi 1:1-11.**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 435**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "N'ihi na I gagh-arapuru ala-mọ nkpuru-obim; I gagh-enye onye-ebere-Gi ka ọ hu nbibi" (Abù Ọma 16:10).**

**I Òlìlì Nke Jisọs**

1. Josef onye Arimatia buuru ozù Jisọs, Mak 15: 42-45.
2. Atọgbọrọ Jisọs nime ílì ọhụụ, Mak 15:46.

**II Mbiliten'ọnwụ nke Jisọs**

1 Ndịnyom bịara, mgbe ụbọchị izuike gasịrị, ka ha tee arụ Jisọs mmanụ, Mak 15:47; 16:1, 2.

2 Ndịnyom ahụ hụrụ otù nwaokorọbịa nke náanodụ n'ílì ahụ nke emeghereemeghe, Mak 16:3-5; Luk 24:3; Jọn 20: 11, 12.

3 Mmụọozi ahụ wee kọọrọ ha akụkọ nkasiobi banyere mbiliten'ọnwụ nke Jisọs, Mak 16:6-8; 14:28; Matiu 26:32.

4 Jisọs gosịrị Meri Magdalini OnweYa, na mmadụ abụọ nime ndị náesoụzọ Ya, emesịa O gosikwara OnweYa nye ndịọzọ mgbe ha nọ ná nri, Mak 16:9-14; I Ndị Kọrint 15:5.

**III Ijéozi ahụ nke Kraist nyere Ndị Náesoụzọ Ya**

1. Jisọs tinyere ijéozi ahụ nke gazuru ụwa niile n'aka ndị niile náeso ụzọ Ya, Mak 16:15, 16; Matiu 28:19; Jọn 15: 16; 12:48.
2. Iheịrịbaàmà dị icheiche gaeso mkwusa nke Oziọma ahụ, Mak 16:17, 18; Luk 10:17, 19; Ọlu Ndi-ozi 2:4.
3. Jisọs gosịrị Onweya ná ndụ iri Ụbọchị anọ mgbe O si n'ọnwụ bilite site n'ọtụtụ ụzọ náadịghị ịgọagọ, Ọlu Ndi-ozi 1:1-3.

**IV Mkwà nke Nna**

1 Jisọs nyere ndị náesoụzọ Ya iwu ka ha chere Onyenkasiobi ahụ, Ọlu Ndi-ozi 1:4, 5; Joel 2:28; Luk 24:49; Jọn 14:16.

2 Ndị náesoụzọ Ya ka naele kwa anya alaeze nke ụwa, Ọlu Ndị-ozi 1:6; Aisaia 1:26.

3 Jisọs gwara ha na Nna Ya debererị ihe ụdọdụ n'ike nke aka Ya, Ọlu Ndi-ozi 1:7.

4 Mmụọ Nsọ gaabịakwasị ha, ha gaabụ kwa ndịàmà nke Chineke, Ọlu Ndi-ozi 1:8; 2:1-4.

**V Nrị go n'eluigwe nke Jisọs**

1 Eweliri Jisọs baa nime Eluigwe, pụọ n'anya ha, Ọlu Ndi-ozi 1:9; Luk 24:51.

2 Ndịkom abụọ yi uwe ọcha mere ka ha nwee nchekwube banyere nlọghachị Ya, Ọlu Ndi-ozi 1:10, 11; Mak 16:19; Daniel 7:13; Matiu 24:30; I Ndi Tesalọnika 4:16; Nkpughe 1:7.

3 Ndị náesoụzọ Ya gara n'ebe niile náekwusa, Onyenweanyị náeme ka Okwu ahụ guzosieike site n'iheịrịbaàmà dị icheiche nke naeso, Mak 16:20.

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

N'iheọ̀mụ̀mụ̀ a anyị nwere akụkọ banyere òlìlì, mbiliten'ọnwụ, na nrịgoneluigwe nke Jisọs. N'oge ejidere Ya na mgbe anaekpé kwa Ya ikpé, ndị náesoụzọ Ya rapụrụ Ya wee gbalaga. Josef, onye Arimatia, nwoke bụ ọgaranya, nke bụ kwa onyennọkọikpé, soro Jisọs na nzuzo n'ihi egwù ndị Ju. Ma mgbe akpọgidesịrị Jisọs n'eluobe, anyị hụrụ Josef ka ọ naapụta ná mkwuwaokwu n'iru Pailat náarịọ

kwa ka ebunye ya arụ Jisọs. Ihe náadị ka ọ naetinye egwù n’obi mmadụ ụfọdụ, naetinye mkwuwaokwu nime obi ndịọzọ.

Ọ bụ omen’ala n’oge ochie bụ́ iwere ụdàụtọ dị icheiche dozie ozù maka òlìlì ya. N’ihi enweghị oge, n’ihi na ụbọchị izuike naabịaru nso, ha wee lie Jisọs ngwangwa náezube na ha gaete arụ ya mamnụ mgbe ụbọchị izuike gasịrị. N’isi ụtụtụ mgbe chi naabọ ụfọdụ nime ndịnyom wee buru ụdàụtọ dị icheiche gaa n’ìlì ahụ. Ọ bụ ezie na Jisọs agwawo harị ọtụtụ mgbe na ya gaesi n’ọnwụ bilie ọzọ, ma ha aghọtaghị eziokwu ahụ. O juru ha anya, ha tụrụ egwù, ma nọrọ kwa ná mgbagwojuanya mgbe ha hụrụ na akpọrepụwo nkume ahụ, ma otù mmụọozi sịrị ha, “Ka ibobo ghara inwu unu n’aru nke-uku: unu nāchọ Jisọs, Onye Nazaret, Onye akpọgideworo n’obe: emere ka O si n’ọnwụ bilie; Ọ nọgh n’ebe: le, ebe ha tọgbọrọ Ya!”.

Ílì ahụ, ya na nkume ahụ nke ejiri mechie ọnụụzọ ya, enweghị ike ijide Ọkpara Chineke. Ya Onweya bụ Mbiliten’ọnwụ na ndụ! Mgbe oge ahụ ruru ka O wee si n’ọnwụ bilie, ọ dịghị ihe ọ bụla nwere ike igbochi Ya. Ndịagha nke ndị Rom wee daa dịka ndikom nwụrụanwụ. Akàrà nke ichịisi ahụ enweghị ike igbochi ike nke Chineke, Jisọs wee bilie, naemeri ọnwụ, ọkụ alammụọ na ílì.

Ndịagha ahụ gbabara nime obodo mgbe ha matara onweha site n’ọmajijiji ahụ nke jidere ha n’ihi iheukwu ahụ nke mere, wee gwa ndịisi nchuàjà ihe niile mere. Ndịkom ndịa náadịghị asọpụrụ Chineke nyere ndịagha ahụ ndụmọdụ ka ha kwueokwu ụgha, kwe kwa ha mkwà na ha gaekpuchi ha ma ọ bụrụ na ọ gaabà n’aka ndịagha inye ha ahụhụ n’ihi na ha naararụụra n’oge ọlụ ha. Ma eziokwu ahụ banyere mbiliten’ọnwụ ya bụ ihe mmadụ niile maara n’oge ahụ náagbanyeghị ụdị akụkọ ahụ nke anaakọ n’ebe niile bụ́ nke náeguzo n’okwuụgha ahụ nke ndịagha ahụ kwuru.

**Mbiliten’ọnwụ ahụ Eziokwu nke Naeguzosiike**

Ọ bụ nnọọ akụkọ nke náeguzosiike na Jisọs siri n’ílì bilie. Mbiliten’ọnwụ ahụ bụ Okwukwe na olileanya nke NdịKraist. Mkwusa nke Pọl naagbagide ụkwụ ná mbilite n’ọnwụ ahụ. Ọ bụ n’ihi ikwusa olileanya nke mbiliten’ọnwụ nke ndị nwụrụanwụ ka ejiri kpọpụta Pọl n’iru nnọkọikpé ịjụ ya ajụjụ. Ọ dị kwa ụfọdụ ndị nọ ná nzukọ nke dị na Kọrint ndị naasị na mbiliten’ọnwụ nke ndị nwụrụanwụ adịghị, nke mere Pọl ji dee akwụkwọ Ndị Kọrint nke mbụ isi nke irinaise ahụ nke bụwororị ihemkwagide na olileanya nke ọtụtụ NdịKraist n’ọtụtụ ọgbọ garaaga. “Ma ọ buru na nbilite-n’ọnwu nke ndi nwuru anwu adigh, emegh kwa ka Kraist si n’ọnwu bilie: … ma ọ buru na emegh ka Kraist si n’ọnwu bilie, okwukwe-unu bu ihe-efu; unu nānọ na nmehie nile unu ugbu a” (I Ndi Kọrint 15:13, 17).

Jisọs gosịrị onweYa n’ụzọ pụtara ìhè nye ọtụtụ ndịnsọ mgbe O bilitesịrị n’ọnwụ. Mgbe ụfọdụ Ọ naegosi OnweYa nye otù onye, mgbe ụfọdụ n’oge ha dị abụọ, maọbụ karịa, ma n’otù oge nye ihe karịrị narị mmadụ ise bụ́ ndị zukọrọ n’otù ebe. Ọ bụ n’otù oge nke ngosi ndịa ka O nyere ha iwu maka ijéozi ahụ: “Ganu n’uwa nile, kwusara ihe nile ekère-èkè ozi-ọma nkem. Onye nke kwere, nke eme-kwa-ra ya baptizim, agāzọputa ya; ma agāma onye nke nēkwegh ikpé.” Ihe niile ekèreèkè -- ndị ọgaranya, ndịogbenye, ndị dịelu, ndị dịala, ndị gụrụ akwụkwọ, ndị náagụghị akwụkwọ -- ha niile n’otùaka ahụ gaanụ ozi nke Oziọma ahụ. Ọ̀ bụghị olenaole ahụ arọpụtara, ndị Onyenweanyị rọpụtara, ka agaazọpụta ewee jụ ndịọzọ. Òkù ahụ nke bụ́ “Onye ọ bula nke kwere” ka agaakpọsa n’ebe niile, ma onye ọ bụla nke kwere agaazọpụta ya. Onye nke náekweghị agaama ya ikpé.

**Ike Maka Ijéozi**

Tutu Jisọs arịgoo n’eluigwe, Ọ gwara ndị náesoụzọ Ya ka ha chere na Jerusalem rue mgbe agaewere ike nke si n’elu yikwasị ha. Nyikwasị nke ike ahụ bụ ihe gaenye ha ikíké n’ijéozi ha ma nye kwa ha ike imeri ike niile nke onyeiro. Ọ bụ ihe gaakwagide eziokwu ahụ na iheịrịbaàmà gaeso mkwusa ha. Ha gaekwuokwu n’asụsụ ọhụụ dị icheiche, bụ́ nke ha mere mgbe awụsara ha Mmụọ Nsọ n’ụbọchị Pentikọst. Jisọs kwukwara sị: “Ha gāchilite agwọ, ọ buru kwa na ha añua ihe ọ bula nēbute ọnwu, ọ gagh emeru ha aru ma-ọli.” Ọ dịghị ebe ọ bụla Onyenweanyị gwara ha ka ha mee ihenkiri maọbụ ihe ngosi nke ike ahụ enyere ha. Enyere ha ike ahụ ka ọ bụrụ ihe inye Chineke otuto na ngọzi nye ụmụmmadụ. Ha agaghị ewere ebere Chineke mee ihe n’ụzọ náekwesịghịekwesị site n’ịkpachapụanya chilite agwọ mgbe ha hụrụ ya, náánị iji gosipụta ike nke ha nwere nime Chineke, dịka ụfọdụ mmadụ

naeme n'ụbọchị taa. Ihe Onyenweanyị naekwu banyere nke a pụtara ìhè n'Akwụkwọnsọ. N'oge ikpeazụ nke ndụ nke Pọl mgbe ọ naachịkọta nkụ́ iji fụnwue ọkụ, otù àjụala wee kokwasị ya n'aka. Mgbe ndị ahụ náasụasụsụ ọzọ, ndị nọ n'agweetiti ahụ hụrụ ya, ha tụrụ anya ịhụ mgbe Pọl gaada n'ala nwụa. Ha matara ihe ọ pụtara bụ́ agwọ ọjọọ ahụ ịtá mmadụ. Ma mgbe Pọl fepụrụ agwọ ahụ n'aka ya feba kwa ya n'ọkụ ahụ náenweghị mmerụ arụ ọ bụla, nke ahụ mere ka ha nwapụta ike nke Oziọma ahụ (Ọlu Ndị-ozi 28:1-6). Onyenweanyị naekpuchi ndị nke Ya n'ebe agwọ dị icheiche na ihe naebute ọnwụ dị ma ọ bụrụ na anyị ezute ụdị ihe ahụ naamaghị ama, ma anyị agaghị eme ihenkiri na ịgbalị ime ihe ngosi nye ndị ụwa n'ụzọ ịnyaisi, maka otuto nke onweanyị, na anyị nwere ụdị ike ahụ.

**Nrị go n'eluigwe nke Jisọs**

Ihe ra ka iri ụbọchị anọ mgbe mbiliten'ọnwụ Ya gasịrị ka Jisọs nọ náesgosi ndị náesoụzọ Ya Onweya, mgbe ụfọdụ n'ebe emechisịrị ụzọ niile, mgbe ụfọdụ n'akụkụ osimiri. N'ihi na O yikwasịwo arụ ebube Ọ pụrụ ịbata n'etiti ha na mberede, ma pụọ kwa n'anya ha na mberede. Okwu ahụ gwara anyị na site n'ọtụtụ ụzọ nke anaapụghị ịgọagọ ka O gosịrị na Ya dị ndụ mgbe Ọ hụsịrị ahụhụ. Ọ kụziiri ndị náesoụzọ Ya ọtụtụ ihe banyere Alaeze nke Chineke. Ọ dị ka agaasị na ha nwere nghọta karịa mgbe ahụ O siri n'ọnwụ bilie, n'ihi na n'iru ha ka egosịpụtara n'ezie ọtụtụ ihe nime ihe niile nke Jisọs ziri harị.

Otù ụbọchị, mgbe ha na Ya zukọrọ na Jerusalem, O duuru ha pụọ ijé ihe dị ka iru Betani n'akụkụ Ugwu Olive. N'ebe ahụ ka O nyere ha iwu ikpeazụ. Ha agaghị esị na "Jerusalem pụa, kama ka ha chere nkwa nke Nna-Ya, nke unu nuru n'ọnum, ka O kwuru." Mgbe ahụ O weliri aka Ya abụọ elu inye ha ngọzi ikpeazụ. Mgbe Ọ nọ ná agọzi ha, ekewapụrụ Ya n'ebe ha nọ, wee buru Ya gaa nime Eluigwe. Ha naele kwa Ya anya tutu rue mgbe igweoji naara Ya pụọ n'anya ha. Mgbe ha ka naelegide anya n'Eluigwe ndị mmụọzi abụọ guzoro ha nso wee sị: "Ndịkom nke Galili, gini mere unu nēguzo nēle anya n'eluigwe? Jisọs nka, Onye anapuru n'ebe unu nọ rigo n'eluigwe, gābia n'otù aka ahu dika unu kiriri Ya ka Ọ nāga n'eluigwe." Ha laghachiri na Jerusalem n'óké ọñụ. Lee otú mmetụta nke ha gaenweworị ugbu a si dị iche site n'otú ọ dị ha n'abalị ahụ mgbe ha lírì Jisọs n'ílì ọhụụ nke Josef gwuwaara onweya.

**Ọbị bị a Nke Jisọs**

Ọ naabịa ọzọ! Okwu ndịa abụrụwo ihe náakpali ọñụ n'obi nke ndịnsọ nke ọgbọ niile. Anyị kwere na ọbịbịa ya dị nso. Ọ bụ olileanya dị ebube nke Nzukọ Kraist, anyị nọ náegentị mgbe niile ịnụ ụda opiike ahụ na kwa olu isimmụọzi.

Lee nnọọ ụzọ dị mgbagwojuanya nke Chineke rọpụtara nye Nwa Ya Ọ hụrụ n'anya nime ụwa a! Ọmụ́mụ́ dịala na ọnwụ ihere, ma mbiliten'ọnwụ dị ebube! Ọtụtụ ihe dị icheiche nke dị kwa mkpà mere na nwa mgbe ntà. Ararawo Ọkpara Chineke nye, akpọgidewo Ya n'obe, atọgbọwo Ya n'ílì; ma n'ụtụtụ nke ụbọchị nke atọ, O wee bilie! Ala maa jijiji, nkume niile gbawara, ílì dị icheiche meghekwara, ndị mmụọozi bịakwara kpọrepụ nkume ahụ. Kraist Ọkpara Chineke, tọgbọrọ ndụ Ya ka O wee nara kwa ya ọzọ.

Mgbe mbiliten'ọnwụ Ya gasịrị O buru ụzọ gosi otù nwanyị onweYa. Nwanyị bụ onye mbụ n'ime ajọomume, ma bụrụ kwa onye mbụ nọ n'akụkụ ílì ahụ na onye mbụ ịhụ Onyenzọpụta ahụ nke si n'ọnwụ bilie anya. Ọ bụ kwa nwanyị ka etinyere ozi mbụ nke Oziọma ahụ n'aka: "Gaa … gwa." Ọ gbara ọsọ ikwusa ozi nke óké ọñụ ahụ na Jisọs Ọkpara Chineke etijiwo ike nke ọnwụ na Ọ naadị ndụ ugbu a -- ịdị ndụ náanwụghị kwa ọzọ rue mgbe ebighịebi!

N'ihi na Ya Onweya dị ndụ anyị onweanyị gaadị kwa ndụ. Oziọma nke dị Ebube! Ònye pụrụ ịjụ ya! Ọ nwụrụ n'ihi mmehie niile anyị; O biliri n'ọnwụ ka ewee gụọ anyị ná ndị eziomume. Ọ rịgooro n'eluigwe; Ọ naabịa ọzọ. Pọl gụrụ ihe niile n'iheíyì ka o wee rita Kraist n'uru na ka o wee mara Ya na ike nke mbiliten'ọnwụ Ya. Ànyị naagụ ihe niile n'iheíyì ka anyị wee keta òkè ná Mwelikọ nke Ndịnsọ? Ànyị naagbalisiike ịbụ ndị jikeere mgbe Jisọs gaabịa? "Ngọzi nādiri ya, ọ di kwa nsọ, bú onye nwere òkè nime nbilite-n'ọnwu mbu ahu" (Nkpughe 20:6).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1 Ònye lírì Jisọs n’ílì ọhụụ nke aka ya?
2 Ònye ka Kraist buru ụzọ gosi Onweya mgbe O siri n’ọnwụ bilie?
3 Ònye kpọrepụrụ nkume ahụ n’ọnụụzọ nke ílì ahụ?
4 Òlee ijéozi nke Kraist nyere ndị náesoụzọ Ya?
5 Ònye ka agaazọpụta? Ònye kwa ka agaama ikpé?
6 Kpọọ aha ebe ụfọdụ nke Kraist gosịrị onweYa mgbe O si n’ọnwụ bilie?
7 Òlee ebe O siri rịgo n’Eluiwge?
8 Gịnị bụ mkwupụta nke ndịmmụọozi ahụ mgbe Jisọs rigoro n’eluigwe?
9 Ònyere ndị náesoụzọ Ya ọñụ ka ọ bụ mwute n’obi?
10 Gịnị bụ iwu ikpeazụ nke Jisọs nyere ndị náesoụzọ Ya?